Ntụlekọrịta Nsimmebe Ngwaa Metutara Ịkụ Akụkụ Ubi N'olundị Ikwo Dị Na Steeti Ebonyi Na Oludị Nsụka Dị Na Steeti Enugwu Nke Si N'aka

Virginus Onyebuchi Aruah
Ngalaba Lingwistiks, Igbo Na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka
Onyebuchi.Aruah@Unn.Edu.Ng
08039482647

Fadila Nwadimkpa Idoko-Adams
Ngalaba Lingwistiks, Igbo Na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka
Fadila.Idoko@Unn.Edu.Ng
08036916221

Ahamefula Ndubuisi Ogbonna
Ngalaba Lingwistiks, Igbo Na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka
ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng
08034772290

Ụmị

Ihe ọmụmụ a lebara anya na nchọcha nkọwami nke gbadoro ụkwụ na ntụlekọrịta nsimmebe ngwaa metutara ịkụ mkpụrụ n'ubi nke dị n'etiti olundị Ikwo na NSụka Igbo. Na nkenke, ihe ọmụmụ a ga-egosipụta ndokọ nsimmebe ngwaa nke metutara akụmakụ, ichọpụta ndịiche mkpụrụ ụda asụsụ dị 'etiti olundị abụọ ndị a, na inyocha mgbanwe echiche dị ka e si eji ngwaa ndị a arụ ọrụ n'olundị abụọ ndị a. Site n'iji usoro ịgba ajụjụ ọnụ na isete mkarịtaụka ndị ọrụ ugbo kpara, ihe kpughere ka e si eji asụsụ, omenala na mpaghara ebe ụdị ngwaa e ji arụ ọrụ mgbe a na-akụ akụkụ ubi. Nchọpụta nchọcha a na-egosi na olundị abụọ ndị a nwere ngwaa yiri onwe ha mana e nwere ndịiche ka ha si akpọpụta, eme mgbakwụnye nsinweta nakwa echiche pụtara ihe ka e si eji nwaa akọwa ịkụ akụkụ ubi.Nchọcha gosikwara ka ọnọdụ omenala si enye aka igosipụta mkpịiche n'ụdị ngwaa ndị a nakwa echiche si na ha pụta. Nchọcha a nyere aka

n'ịmata na e nwere ụdị dị iche iche e si akọwa ịkụ akụkụ ubi n'ala Igbo. Nchọcha a gosikwara ka amụmamụ mkpụrụ ụda asụsụ na nghọta echiche si arụ ọrụ pụrụ iche n'olundị e nwegasịrị n'asụsụ Igbo.

Ọkpụrụ okwu: Mmebe mkpụrụ okwu, Ngwaa, Akụkụ ubi, Olundi, Ikwo, Nsụka

Abstract

This study presents a qualitative morphological comparative analysis on verbs related to planting in Ikwo and Nsukka dialects of the Igbo language. Specifically, it explores the morphological structures of planting verbs, investigates phonological differences between these dialects and examines semantic variations in the use of these verbs across the two dialects. Through fieldwork, this study adopts interviews and recorded speech samples from native speakers of Ikwo and Nsukka dialects. The study seeks to uncover how verb forms for planting are shaped by linguistic, cultural, and contextual factors. The findings of the study suggest that both dialects share some core verb forms, there are notable differences in pronunciation, inflectional patterns, and semantic renditions tied to agricultural practices. The study also reveals the role of cultural context in influencing the specific forms and meanings of verbs used in planting processes. This research work contributes to understanding the language diversity within the Igbo language as it concerns agricultural domains. It also provides insights into how phonological and semantic factors play a role in shaping dialect variations.

Keywords: Word formation, Verb, Crops, Dialect, Ikwo, Nsukka

Mkpọlite

Asụsụ nwere nnukwu uru ọ bara n'etiti mmadụ na ibe ya. E ji asụsụ ezipụta ihe mmadụ bu n'obi, ka-osi dịrị mmadụ, maọbụ ihe ha na-eme na ndụ (Anagbogu, Mbah na Eme, 2010). Asụsụ bụ ihe ndị mmadụ ji eme mkparịtaụka nakwa ịkọwa ndụ ha. Imaatụ: e ji asụsụ akụzi ihe, azụ ahịa, ekwu okwu chukwu, arụ ọrụ ugbo na ihe ndị ọzọ mmadụ na-eme n'ụwa a. Greenberg (1962) kewara asụsụ Afrịịka ụzọ anọ ndị a: Niger-Congo, Afro-Asiatic, Nilo-Sahara, na Khoisan. Site na nkewa asụsụ Afrịịka Grenberg mere, asụsụ Igbo sonyere na ngalaba Kwa nke Niger-Congo. Idoma na Igala tinyere asụsụ ndị ọzọ sokwa ndị otu Kwa. Njirimara asụsụ

Kwa bụ na ha ji ụdaolu egosipụta mkpịiche n'ime asụsụ. Asụsụ Igbo na Asụsụ Bekee abụghị otu ihe ka ha si ewube okwu. Sapir (2021) kwuru na asụsụ bụ nke mmadụ na ọ bụghị nke ụmụ anụmanụ ndị ọzọ. Ihe Sapir na-ekwu bụ na ụmụ anụmanụ na-eme ụnara mana ha anaghị eji asụsụ akọwa ihe mere na ndụ ha. Ya mere na ihe ụmụ anụmanụ na-eme bụ mgbasa ozi. Nke a na-egosi na eji asụsụ agbasa ozi mana ọ bụghị mgbasa ozi niile ka e ji asụsụ ezipụta.

Mgbe e ji asụsụ eme mgbasa ozi, e nwere ike ihụ ya n'ụdị ekwurunọnụ maọbụ ederede. Tupu ndị ọcha awụbata n'ala Igbo, ndị Igbo na-akọ akụkọ ifo, arụkọta ọrụ ugbo, achụkọ nta, alụkọ nwaanyị na efe chi ha. Mmadụ nwere ike iji okwu ọnụ ma ọ bụ nke e dere n'akwụkwọ wee kọwaa ihe ha na-eme na ndụ. Chomsky (1986) kọwara asụsụ dịka ihe mmadụ zuru oke nwee. Nke a mere na Agbedo (2019) na e enwere ụzọ atọ e si akọwa asụsụ. Ha gunyere 1) asụsụ bụ ihe mbumpụta ụwa, 2) asụsụ bụ otu ihe e ji eme ewumewu dịka o si metuta agụgụ ala, na e nwere ike ịkọwa asụsụ dịka ihe e ji mara ọha obodo site n'iji ya wee kọwapụta omenala ha. Asụsụ bụ ihe a na-amụ n'ụlọakwụkwọ n'oge ugbu a n'ala Igbo nke a kpọrọ Lingwiistiks. Lyons (2011:1) kọwara Lingwiistiks dịka "nka pụrụ iche e ji amụ asụsụ." Nka asụsụ na-egosipụta na usoro ka-esi amụ mkpụrụ ụda asụsụ, ewumewu, usoro okwu na nghọta si n'asụsụ. Usoro e si amụ asụsụ Bekee dị iche na ka-esi amụ asụsụ Igbo.

Usoro ndokọ asụsụ Igbo na nke asụsụ Bekee dị iche. Ha dị iche site na mkpụrụ ụda ha ruo na ka-esi eji asụsụ ndị akọwapụta ihe mmadụ na-eme na ndụ ha. N'otu aka ahụ, olundị dị iche iche mejupụtara asụsụ Igbo dị iche ka ha si ewube m mkpụrụokwu ha nke e ji akọwa ihe ha na-eme na ndụ ha. Olundi ndi nke mgbago ugwu ọwụwa anyanwụ ala Igbo ka Nwaozuzu (2008) ka a mara n'olundị Ikwo na nke Nsụka kwụnyere nay a. Olundị ndị a nwere ndịiche na mpụrụokwu ha nakwa ka si emebe mkpụrụokwu na bee ha. N'aka nke ọzọ, nghọta si n'okwu ndị a apụta nwere ụdị mgbanwe dị iche iche.

Ndịmele (1999), kọwara nghọta si n'asụsụ ka ihe na-enwe mgbanwe dịka ogwumagala. Ụdị mgbanwe ndị pụtara n'ebe a, agwa na ọnọdụ ngwaa hụrụ onwe ha nwere ike ibute mgbanye ha n'ụdị mkpụrụ ụda ha, nsimmebe, nghọta na ka ha si anabata agbataobi ha. Ngwaa dị oke mkpa na nwube mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. Ngwa nwere ogwe, nwe alaka nke esi nay a emebe okwu ọhụrụ n'ime asụsụ

a. E nwere ike iwube okwu Igbo site n'ederede maọbụ ekwurekwu. Ngwa ịkụ ihe ubi nchọcha na-agbakwasa ụkwụ na ya bụ nke e kwurunọnụ bụ nke nchọcha zipụtara ka e detuo ha n'ime akwụkwọ. Ifejiofor (2017) kwuru na ngwaa ikụnye ihe n'ubi n'olundị Nneni nwere ka si ahọrọ okwu ha na ha ga-enwe mmekọ. N'aka nke ọzọ, nchọcha Ikegwuonu na Nweze (2021) gosipụtara na ngwaa nwere usoro nsimmebe ha nakwa ọnọdụ nnabata agbataobi okwu ọzọ. N'olundị Ikwo na nke Nsụka mkpụrụokwu ha ji egosipụta ka-esi akụ akụkụ ubi dịwaga iche ma na-eweta ihe mgbagwoju anya na mpụtara ha.

Ikwo Noyo bụ otu ọnụmara e nwere n'Abankaleke nke dị na Mgbago ugwu ọwụwa anyanwụ ala Igbo. Obodo ndị mejuptara Ikwo bụ Uduku Enyi, Okpitumo, Igbudu, Omiga Echara, Ekpomaka, Inyimegụ, Ndịagụ Amegụ na Igberi. Olundị ha na-asụ bụ Ikwo ma ewezuga ndị Ikitumo (Nwafor, 2021). Ndị Ikwo nwere ihe dịka obosara ala dị narị kilomịta ise. Nwafor gakwara n'ihu ma kwuo na ndị Ikwo na ndị Steeti Krọs Riva gbara agbataobi n'akụkụ ọwụwa anyanwụ na ndịda. Na mpaghara ọdịda anyanwụ, ndị Ikwo na Ezaa gbara agbata obi. N'akụkụ mgbago ugwu, ha na ndị Izhi nwere oke ala. Nwafor kọwara na ihe mere asụsụ ndị Okpitumo jiri dị iche na nke ndị ọzọ bụ na ha bi n'etiti Ikwo na ndị Ezaa. Aha a na-akpọ Okpitumo bụ ndị Ntsụbọ (Nwafor, 2021). Dịka o si metuta mgbakwunye ngwaa, ndị Ikwo nwere ụzọ pụrụ iche ha si agbakwụnye ngwaa metutara ịkụ akụkụ ubi. Ọnọdụ mgbakwụnye ngwaa ha na nke ndị Nsụka nwere ndịiche ma nwekwa myiri.

Nsụka Asadụ Idẹkẹ Arụmọna dị n'ime okpuru ọchịchị Nsụka na Steeti Enugwu. Obodo ndị mejupụtara Nsụka Idẹkẹ bụ Mkpụnanọ, Nru na Ihe na Owere. Aha a na-akpọ ha bụ ụma Ishi agha n'itegẹna. Ụma ishi agha n'itegẹna pụtara na ha nwere obodo itolu e ji ịlụ agha wee mara. Obodo ndị a gụnyere, Ngwuru, Isiakpụ, Ụmakashi, Ẹchara, Ihegụ, Ụmụoyo, Ẹzema na Edem, Ihe, na Owere. Ndị Idẹkẹ Nsụka nwere ihe dịka ọnụọgụ mmadụ dị 444,100 ma nwee obosara ala dị 913.4/km^2. Idẹkẹ Nsụka bụ obodo e ji ọrụ ugbo wee mara. Ha na-akọpụta ji, akpụ, ụna, abala, ọka, agbụgbụ, ọkpa, ose, tomato nakwa akwụkwọ nri dị iche iche tinyere mmanụ akwụ na akị. Ndị City-Facts (2022) kwuru na ọnụọgụ ụmụnwaanyị bi na Nsụka dị 249,039 (51.5%), ebe ọnụọgụ ụmụ nwoke dị 234,216 (48.5%). Ihe nchọpụta ha mere na-egosi bụ na ụmụ nwaanyị bi na Nsụka karịrị ndị nke nwoke n'ọnụọgụ. Ndị Idẹkẹ Nsụka na ndị Ọba tinyere ndị Ọbụkpa gbara

agbataobi n'akụkụ mgbago ugwu ala anyị. Na ndịda, ha na ndị Ede Ọbala, Lẹja na Obimo gbara agbataobi. N'akụkụ ọwụwa anyanwụ, ọ bụ ha na ndị Eha arụmọna bụ agbataobi. N'ọdịda anyanwụ ha na ndị Edem, Erọ Ụlọ bụ agbataobi. Ndị Idẹkẹ Nsụka na-asụ asụsụ Igbo mana olundị ha bụ Idẹkẹ. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ngwaa n'ihi na na-esi na ngwaa emebe ọtụtụ okwu. Ndị Igbo nwere ike isi na mgbakwụnye, nkwunwo, mgbakọokwu, mbite okwu, ntinye mkpụrụ ụda maọbụ nwepu nakwa site n'okwu arọrarọ emebe okwu. Ya mere na ndị Idẹkẹ Nsụka nwere ka si eji usoro nsimmebe okwu akọwa ka si akụ akụkụ ubi.

Ebumnobi nchọcha

Ebumnobi nchọcha gụnyere

1. Izipụta usoro nsimmebe ngwaa akụmakụ ihe ubi n'olundị Ikwo na Nsụka.
2. Itule adịmiche mkpụrụ ụda asụsụ maọbụ akpọmakpọ metutara ngwaa akụmakụ ubi n'olundị Ikwo na nke Nsụka Idẹkẹ.
3. Inyocha ndịiche sitere na nghọta maọbụ echiche pụtara ihe nke metutara ngwaa akụmakụ ihe ubi n' olundị Ikwo na nke Idẹkẹ Nsụka.

Ajụjụ nchọcha

1. Kedu usoro nsimmebe ngwaa akụmakụ ihe ubi n'olundị Ikwo na Nsụka?
2. Gịnị bụ adịmiche dị na mkpọpụta ngwaa akụmakụ ubi n'etiti olundị Ikwo na Idẹkẹ Nsụka?
3. Olee ka Mpụtara ngwaa e ji akọwa ịkụ akụkụ ubi n'olundị Ikwo Noyo na Idẹkẹ Nsụka si dị iche?

Uru nchọcha

Nchọcha a ga-abara ndị Igbo niile uru iji chọpụta ndịiche pụtara ihe n'olundi Ikwo na Olundi Nsụka. Ọ ga-enyekwara ndị na-amụ ihe gbasara asụsụ Igbo aka ka ha mara usoro nsimmebe ngwaa metụtatara akụkụ ubi n'olundị abụọ a na-ekwu maka ha. Ihe ọmụmụ a ga-abụ ebe mgbado ụkwụ nyee ndị ga-eme ihe nchọcha metutara isiokwu yiri nke a.

Usoro nchọcha

Ndị ọchọcha gbasoro usoro nchọcha nkọwami wee mee nchọcha a. Site n'ịzọpụ njem nta nchọcha, ihe ọmụmụ a gbasara usoro ajụjụ ọnụ nakwa isetu mkparịtaụka dị n'etiti ndị ọrụ ugbo na mpaghara ala igb abụọ ndị a na-enyocha. Ebe a gbadoro

ụkwụ mee nchọpụta a bụ na Ikwo Noyo na Idẹkẹ Nsụka. Ihe e lebere anya na ya bụ ka obodo abụọ ndị a si emebe ngwaa metutara ịkụ ihe ubi. Ọnụọgụ ndị e ji mee nchọcha bụ ndị ọrụ ugbo niile si n'obodo abụọ ndị a. Usoro e jiri wee nyocha njatule bụ usoro nchọcha nkọwa. Usoro nchọcha ga-ezipụta ndịna isiokwu ngwaa dị iche iche maka ụdị akụkụ ubi dị iche iche.

Nchọcha ndị e mereela gbasara isiokwu a

Ọtụtụ ndị nchọcha dịka Anoka (1983), Anyanwu na Iloene (2004), Ndiribe (2004), Nweze (2011), Igbeaku (2012), Onwukwe, Ndimele na Onukawa (2015), Ifejiofor (2017), Ikegwonu na Nweze (2021), Nwafor (2021) tinyere ndị ọzọ.

Ihe ọmụmụ Anoka (1983) gosiri na-enwere ihe mgbochi ndị pụtara ihe ka e si agwakọta ngwaa ịzụ (to buy) na Mbaise Igbo. Anoka gọwara n;ihe mgbochi ndị a na-agbadokarị ụkwụ na mpụtara ihe agwakọrịtara ya na ngwaa ọnụ n'asụsụ Igbo. Ọchọcha a mere ka a mara na-enwere ihe karịrị mpụtara ngwaa iri na asaa eji azụta ihe diche iche. Nchọcha a chọpụtara na-enwere ụzọ ngwaa ukwu ndị a dịka o si metuta ịzụta ihe. Ha gunyere: zụ, pata, mata, lute. N'ikọwa ya n'ụzọ doro anya, ngwaa ndị a anaghị anọchi ọnọdụ ibe ya n'ime ahịrịokwu.

Anyanwu na Iloene (2004) mere nchọpụta metutara ikụ na iwe ihe ubi n'etiti olundi Ngwa na nke Obimo, Nsụka. Ebunobi nchọcha a bụ ịchọpụta ihe dị iche ka ndị Ngwaa na ndị Obimo si emebe ngwaa e ji akụ ihe ubi nakwa nke owuwe ihe ubi. Nchọcha Anyanwu na Iloene chọpụtara na ngwaa a bụ *kụ* di ire n'olundị abụọ ndị a mgbe a na-akụ akwụkwọ nri. Ebe ndịiche ka pụtaa ihe bụ mgbe ha ji ngwaa ezipụta owuwe ihe ubi. Ndị Obimo na ndị Ngwaa na-ekwu, k*pa* mgbe ha na-akụ akwụkwọ nri. Mana cheta na ndị Ngwaa na-as *dọ*, ebe ndị Obimo naas *dva*. Ihe dị iche dị mgbe a na-ewere akwụkwọ nri ndị a. Ngwa kwuo *ghọ*, Obimo asị *wọ*. Mgbe ndị Obimo na-akọnye nri ndị na-eme n'ime ala dịka ji ede abala, adụ na ụna, ha ga-eji okwu ndị a: *yi, gba* na *dva.* N'olundị Ngwaa, ha ga-esi etu a kwuo ha, *hi*, *gbu*, na *vụ.*

Ndiribe (2004) nyochara mpụtara mkpụrụokwu e ji akọwa ka e si akụ ihe ubi n'olundị Ihiala na Steeti Anambra. Ọchọcha zipụtara mkpụrụokwu ọ bụla nwere ngwaa e ji akọwa ka e si akụ akụkụ n'ubi. Akwụkwọ nchọcha a gosipụtara n'ebe

ọ dị ukwu ma kwuo na akụkụ, mkpụrụosisi, mgbọrọgwụ na mba (ji) nwere ike ịhọrọ ngwaa ndị a: *ịsọ, ịkụ, ịgbā, ịghā, na ǐzọ.*

Nweze (2011) mere nnyocha gbasara ngwaa ịnyụ nsị n'Imilike, Nsụka Igbo. Nweze kere ngwaa e ji ewepu ihe mmadụ riri ụzọ abụọ: ịnyụ nsị na ịnyụ nwa mmiri. Nchọcha a chọpụtara ụdị ngwaa iri na itoolu metutara ịnyụ nsị n'Imilike Igbo. Ha gụnyere ịkpa, ịma, iku, ịkpabu, wụshị , za na ịwụ nshị.

Nchọcha Igbeakụ (2012) mere gbasara ngwaa owuwe ihe ubi na-akọwa na e nwere ndịna okwu kwesiri ihe ọ bụla mmadụ na-eme. Ọ gakwara n'ihu ma kwuo na ndịna okwu ndị a nwere nke kachasị ibe ma nwee nke ya na ya na-agakọ ọnụ. Ngwaa owuwe ihe ubi niile gbadoro ụkwụ na ndịna okwu ndị a na mmekọta ha na mkpụrụokwu ndị ọzọ. Igbeakụ mere ka a mata na owuwe ihe ubi dịka ọka nwere ndịna okwu ise, ebe owuwe ihe ubi nke metutara ede nwere ndịna okwu ise. N'ihe gbasara owuwe akwụkwọ nri, e nwere ndịna okwu abụọ dịka Igbeaku si kwuo. Ighọrọ mkpụrụ osisi nwere ndịna okwu anọ. Nchọcha a chọpụtara na ụdị ngwaa eji akọwa owuwe ede site n'a ga-agbado ụkwụ n'ụdị ihe e ji wepụta ya bụ ede. Site na nkọwa ya, e nwere ike iji aka nkịtị maọbụ ngwa ọrụ ugbo dịka ọgụ, mma na ngwu wee gwupụta ya bụ ede.

Onwukwe, Ndimele na Onukawa (2015) kọwara ngwaa e ji emebe ọkụ n'Okigwe nke dị na Steeti Imo. Ndị ọchọcha ndị a sitere n' aka ndị okenye dị ihe dịka iri afọ isii wee nweta njatule ha. Isī (to cook) dịka ngwaa mụbara ụmụ ngwaa ndị ọzọ niile nwere ngwaa ndị nke babara na ya ma nweekwa ndị nupụrụ isi. Ihe nke a na-egosi bụ na e nwere ndị Igbo si ahọrọ okwu ngwaa mgbe ha na-ezipụta ihe ha na-eme na ndụ. Ụzọ ngwaa iri ka Onwukwe, Ndimele na Onukawa (2015) họrọ mgbe ha mere nchọcha ha.

Ifejiofor (2017) gbadoro ụkwụ na nnaghasị mpụtara ngwaa nke e ji akọnye ihe n'ubi na Nneni nke dị na Steeti Anambra. Nchọcha a lebere anya ka ngwaa ndị a si metuta ụdị akụkụ ubi dị ice iche n'olundị Nneni. Ifejiofor gakwuru ndị ọrụ ugbo ma jụpụta ka si eji ngwaa metutara ụdị akụkụ ubi n'ụzọ niile na ụdị okwu dabara iji kọwa ha. Ọ kọwara na nghọta dị omimi na-esi na ha apụta mgbe a họrọ ngwaa dabara adaba. Nchọcha a dị iche na nke a na-eme ugbu a n'ihi na nke ugbu a mere ntụlekọrịta ngwaa ịkọnye ihe ubi n'olu Ikwo na nke Nsụka.

Nwafor (2021) chọpụtara ngwaa e ji akụnye mkpụrụ n'ubi n'olundị Ikwo n a Steeti Ebonyi. Ọ họpụtara ụdị ngwaa dị iche iche metutara mkpụrụ akụkụ dị iche nakwa nghọta ndị mmadụ nwere gbasara ngwaa ndị a. Ọ chịkọtara ihe ọmụmụ ya site n'ikwu na mgbanwe mkpụrụ ụda asụsụ, mkpụrụokwu na ụdaolu e nwere n'okwu na eweta nghọta n gwaa ndị a n'ụzọ ọzọ.

Ngosi na ntụcha njatule

Ngwaa ịkụnye mkpụrụ n'ubi

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa ịkụ mkpụrụ n'ubi)**	**Olundị Nsụka (ngwaa ịkụ mkpụrụ n'ubi)**	**English glosses**
1	ị́dzā	ị́zụ̀á	To transplant
2	ị́ghā	ị́ghā	To broadcast
3	ị́kụ̄	ị́kụ̄	To sow
4	ị́mā	- (ị́kụ̄)	To propagate by heel cutting
5	Ítū	Ítū	To propagate by stem cutting
6	Íyē	Íyī	To drill
7	- (ị́dzā)	ị́dọ̄yị̄	Planting by burrowing

Nsere 1: ị́dzā/ị́zụ̀ā (to transplant)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa, *ị́dzā* mkpụrụ ubi ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa, *ị́zụ̀á* na mkpụrụ ubi ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**
8	ị́dzā ị́nàkā mbèké	ị́zụ̀á ógbódó	To transplant spinach
9	ị́dzā ósè	ị́zụ̀á ósè/ ákpákọ̄	To transplant pepper
10	ị́dzā ị̀gbàgbà	ị́zụ̀á ányàrà	To transplant garden egg
11	ị́dzā àhụ́ǰì	ị́zụ̀á àhụ́ńǰì	To transplant scent leave

Nsere 2: ị́ghā (to broadcast)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa, *ị́ghā* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa, *ị́ghā* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**
12	ị́ghā ị́nákā m̀bèké	ǐ́ghā ógbódó	To broadcast spinach
13	ị́ghā ósè	ǐ́ghā ósè	To broadcast pepper
14	ị́ghā èréshì	ǐ́ghā òshíkápá	To broadcast rice
15	ị́ghā èsǐ́sà	ǐ́ghā ígógó	To broadcast benne seed

Nsere 3: ị̀kụ̄ (to sow)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa, *ị̀kụ̄* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa, *ị̀kụ̄* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**
16	ị̀kụ̄ àkpē	ị̀kụ̄ ázə̀zə̀	To sow maize
17	ị̀kụ̄ ọ́pfụ̀rụ̀	ị̀kụ̄ ọ̀kwụ̀rụ̀	To sow okro
18	ị̀kụ̄ àshìmókò	ị̀kụ̄ ọ̀kpàpá	To sow groundnut
19	ị̀kụ̄ àkànyị́kọ̀	ị̀kụ̄ ọ̀kpà	To sow bambaranut

Nsere 4: ị́mā (to propagate by heel cutting)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa, *ị́mā* osisi n'ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa, *ị̀kụ̄/ituyi* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**

20	ị́mā áchị́	ituyi áchị	Stem cutting camellia plant
21	ị́mā mèlaínà	ị́kụ̄ /ituyi oshisi melaina	Stem cutting gmelina
22	ị́mā ìshíkérè	ị́kụ̄ échíkàrà	Stem cutting rough magnolia
23	ị́mā òkò	ị́kụ̄ ẹ̀jụ́rụ̄ ōshíshí	Stem cutting humid plant

Nsere 5: ítū (to propagate by stem planting)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa,` *ítū* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa,` *ítū* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**
24	Ítū ógógò	Ítū àkpà nǹdùkwù	To stem cut potato
25	Ítū ńjákpụ́	Ítū ákpụ́	To stem cut cassava
26	Ítū ọ́màráńkō	Ítū ókwété	To stem cut sugar cane
27	Ítū àhụ̀jì	Ítū àhụ́ǹjì	To stem cut scent leave

Nsere 6: íyē/íyī (to drill a tuber)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa,` *íyē* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa,` *íyī* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**
24	Íyē njí	Íyī jí	To drill yam
25	Íyī ụ̀nànwụ́nà	Íyī ụ̀nà	To drill three leave yam
26	Íyī jíábáná	Íyī ábálá	To drill wateryam

Nsere 7: ị̃kụ̃/ ị̃dọ́yị̃ (to plant by borowing)

Usoro ọgụ	**Olundị Ikwo (ngwaa,`*ị̃kụ* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**Olundị Nsụka (ngwaa, *ị̃dọ́yị̃* mkpụrụ ubi na okwu ndị ya na ha na-agakọ)**	**English gloss**
27	*(ị̃kụ) ọ́jị̃*	*ị̃dọ́yị̃* ọ̃jì	To plant kolanut
28	Íyé nj̃íkpà	*ị̃dọ́yị̃* ọ́gẹ́dẹ́	To plant banana

Nkọwa njiatụle

Site na njatụle egospụtara na nsere nke mbụ, olundị Ikwo zipụtara na ngwaa akụmakụ bụ ị̃dzā nabatara mkpụrụ akụkụ ndị a: mbeke, ose, ịgbagba na ahụji. E nwekwara ike Ị̃dzā ọjị dịka ọ pụtara na nsere nke asaa n'olundị Ikwo. N'aka nke ọzọ, ndị Idẹkẹ Nsụka were mkpụrụokwu bụ ngwaa, ị̃zụ̄ā wee nochite anya ị̃dza n'Ikwo. E nwere mkpụrụ ụda dịwaga iche n'etiti mkpụrụokwu ngwaa abụọ ndị a. Mgbe a na-adza maọbụ azụa mkpụrụ akụkụ n'olundị Ikwo na Nsụka, mara na mkpụrụ akụkụ ndị ahụ bụ buru ụzọ ghaa n'ụdị mkpụrụ. Ihe nke na-egosi bụ na olundị Ikwo na Nsụka nwere ngwaa ịkụ akụkụ karịa Igbo izugbe. Ọtụtụ mkpụrụ ubi ya na ngwaa ndị a na-eso ga-abụrịrị nke nwere mpkụrụ a ga-agha tupu ebido ịzụa ha. Ihe ọzọ nchọcha gosipụtara bụ na ndị Ikwo jiri mkpụrụokwu bụ mbeke nọchite anya ogbodo na Nsụka. Ọtụtụ ndị agba ọhụ kịta kpọrọ ya *green.* N'otu aka ahụ kwa, ndị Nsụka nwere aha ọzọ ha kpọrọ ose. Aha a bụ akpọkọ. Nchpọpụta ọzọ pụtara ihe bụ na ndị Ikwo kpọrọ anyara bụ ị̃gbàgbà (garden egg).

Nkọwa nsere nke abụọ dịka njatụle

Njatụle nke abụọ kọwara na ngwaa, ị̃ghā bụ nke ndị Bekee kpọrọ broadcast. Ngwaa a bụ ị̃ghā dabara na ngwaa ndị Nsụka ji arụ ọrụ ịkọwa ka e si akụ ụfọdụ akụkụ ubi. E nwere ka ya bụ ngwaa si ahọrọ mkpụrụokwu ndị metụtara akụmakụ mkpụrụ ubi n'olundị Ikwo na Nsụka. Olundị abụọ ndị a nwere ngwaa a na-akọwa maka ya mana ha nwere aha dị iche iche nke na-adịghị n'asụsụ Bekee. Echiche dị na nghọta mkpụrụokwu ndị a pụtara ihe mgbe ha họrọ ngwaa ndị kwesiri itikọta ya bụ mkpụrụokwu. Ịma atụ: ị̃ghā mbèké, ị̃ghā ereshi nakwa ịgha èsị́sà. Ndị Idẹkẹ Nsụka gbasokwara usoro nsimmebe nke ijiko mkpụrụokwu ọnụ iji kọwaa ka e si akụnye mpkụrụ n'ubi. Ihe dị iche n'etiti olundị abụọ ndị a bụ na ụfọdụ aha

ha kpọrọ akụkụ ubi. Ihe ndị Idẹkẹ kpọrọ igogo, oshikapa, akpọkọ na ogbodo ka ndị Ikwo na-akpọ esisa, ereshi, ose, na mbeke (benne seed, rice, pepper and spinach).

Nkọwa njiatụle nke atọ: *ịkụ̄*

Ngwaa, ịkụ (to sow) bụ otu n'ime ngwaa akụmakụ dị n'olundị Ikwo nakwa nke Nsụka. Ịkụ nabatara mkpụrụokwu ndị a bụ ngwaa akụmakụ na mpaghara abụọ a. Ha gụnyere: ịkụ [akpe, ọpfụrụ, ashmoko na akanyịkọ] n'olundị Ikwo. N'olundị Nsụka, ha gụnyere ịkụ [ọka, ọkwụrụ, ọkpapa na ọkpa]. Ọ na-abụkarị mkpụrụ akụkụ ka a na-akụnye n'ime ala ka ha puo ome. Ịkụ mkpụrụ ndị a na-adị n'ụdị imepe ala ma kụnye mkpụrụ ndị a ebe ha ga-anọ puo ome. Ndị Ikwo na ndị Nsụka na-ahọrọ mkpụrụ dị mma nke a ga-akụnye n'ala ma họrọ ngwaa kwesiri ịkọwa ka e si akụ ha.

Ikọwa ngwaa, *ịma* dịka o si metuta ịkụ ihe n'ubi

Ị́ma̱ bụ ngwaa e ji akọwa ka e si akụ mkpụrụ n'ubi n'obodo Ikwo nke dị iche ka ndị Nsụka si akọwa ya. Ndị Nsụka na-eji ituyi wee na-akọwa mgbe a na-akụ osisi e gbubiri dịka ihe ga-eweta nri mmadụ ga-eri iji mee ka ahụ na-eto maọbụ iji ha mee ọgwụ e ji agwọ ọrịa. Ndị Ikwo Noye ga-ekwu ịma achị, ịma melaina, ịma ishikere na ịma oko. N'olundị Idẹkẹ Nsụka, ihe a ga-ahụ bụ ituyi [oshishi achị, melaina, ẹchịkara na ejụrụ oshishi]. E nwere ụdị mkpụrụokwu ngwaa dị iche dịka o si pụta ihe n'olundị Ikwo na nke Nsụka. Ihe ọzọ bụ na mkpọaha ndị ha họrọ pụtara otu ihe mana mkpụrụokwu olundị abụọ ndị a họrọ dị iche.

Inye nkọwa nsimmebe ngwaa, *ítu̱* akụkụ ubi (propagation by stem cutting)

Mgbe a na-ekwu maka ngwaa itu akụkụ n'ọrụ ubi, a ga-eleba anya ụdị mkpụrụ akụkụ a na-akụnye n'ubi. Mgbe ndị Ikwo na-akọwa ka ha si ejikọta okwu ngwaa na mkpọaha akụkụ ha na-akọwa, Ị ga-ahụ ndị a: itu [ogugu, njiakpụ, ọmarankọ]. Ngwaa, *itu* dị n'ụdị infinitivu. Ya bụ isingwaa [–tu] agbakwụnyere nganiihu [i], ọ ga-apụta *itu.* Ya bụ ngwaa nwere mkpebi ka ya na mkpụrụokwu ndị a [ogogo, njiakpụ na ọmaranko] ga-agakọ n'olundị Ikwo. N'olundị Nsụka e jikọrọ ngwaa infintiivu *itu* [akpa ndukwu, akpụ na okwete]. Nchọcha a gosiri na ọ bụ n'ụdị osisi ka mkpụrụ ubi ndị a na-adị.

Ngwa ọzọ nchọcha ga-akọwa bụ *íyẽ*n'olundị Ikwo na *íyĩ*n'olundị Nsụka
Akụkụ ubi ndị a na-eyi eyi na Nsụka gụnyere iyi [ji, ụna na abala]. N'olu ndị Ikwo, e nwere mgbanwe na mkpụrụ ụda dị na nkejiokwu nke abụọ. Lee ya n'uju: i + ye n'olundị Ikwo, pụtara iyi n'olundị Idẹkẹ Nsụka. E nweghi mgbanwe mpụtara ya bụ ngwaa, naanị ihe e nwere bụ mgbanwe mkpụrụ ụda asụsụ n'olundị abụọ ndị a. E nwekara ụdị ngwaa ọzọ e ji akụnye ọgẹdẹ na ọjị na mpaghara Nsụka. Ngwaa a bụ ịdoyị [ọgẹdẹ, ọjị, jara]

Nchịkọta, mmechi na aro

Nchịkọta
Nchọcha a chọpụtara na olundị Ikwo na nke Idẹkẹ Nsụka sonyere n'olundị e nwere na mgbago ugwu ọwụwa anyaanwụ ala Naịjirịa. Ha nwere otu usoro ka si ewube nsimmebe ngwaa metutara ịkụ akụkụ ubi. Ọ na-abụ ngwaa ndị a gachaa mkpọaha na-egosi ụdị akụkụ a kụrụ esote ha. Naanị ebe olundị abụọ gbara onwe bụ ụdị mkpọaha akụkụ ubi ndị a nwere. Asụsụ Igbo nwere ọtụtụ mkpụrụokwu ngwaa e ji akọwa ịkụ akụkụ n'ubi karịa asụsụ Bekee. Ngwaa akụmakụ ndị a nwere ka si ahọrọ okwu ha na ha na-agakọ n'olundị Ikwo, Nsụka na olundị ọzọ mejupụtara asụsụ Igbo. Usoro mmebe okwu maọbụ nhọrọ okwu na-adị iche site n'otu obodo ruo n'obodo ọzọ.

Mmechi
Na mmechi, ndị nchọcha ga agbaso usoro nsimebe wee chọpụta ka ọtụtụ olundị Igbo si wee mmetuta nke mere ka ha si otu ezinaụlọ pụta. Nchọcha a gosiri n'olundị Ikwo nke dị na Steeti Ebonyi na Idẹkẹ Nsụka nke dị na Steeti Enugwu nwere ihe jikọrọ ha site na ntụcha nchọcha mere gbasara ngwaaịkụ akụkụubi.

Aro
Ndị na-amụ maka olundị Igbo ga-agba mbọ zipu ndị nchọcha, ụmụ akwụkwọ tụmadị ndị nwee obodo ka ha chọpụta Ụdị ngwaa e ji akọwa ọtụtụ ihe n'ala Igbo. Nke a ga-enye aka n'ebe ọ dị ukwu ka e nwee amụmụ adịmiche.

Nsirinweta
Agbedo, C. U. (2019). *Multilingualism and national development in Nigeria: Issues and Challenges*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dreams.

Anoka G.M.K. (1983). Selectional restriction: Verbs meaning 'to buy'. In P.A, Nwachukwu (Ed.). *Reading on the Igbo Verb* (pp. 30 – 35).Onitsha: Africana– FEP Publishers.

Anyanwu O.N, & Iloene M.I (2004). Verbs of planting and harvesting: The Ngwa and Obimo Dialects examples. In O-M, Ndimele (Ed.) *Languages and Culture in Nigeria: A festschrift for OkonEssien (*pp. 815-821*).* Aba: Emai Publishers & NINLAN.

Chomsky, N. (1986). *Knowledge of language: Its nature, origin and use*. New York: Praeger.

Greenberg, J. H. (1962). Is the vowel consonant dichotomy universal? *Word 18*: 73-81.

Ifejiofor, B. C. (2017). Semantic analysis of verbs of planting in Nneni dialect of Igbo. BA Long Essay, Department of Linguistics and Communication, University of Benin.

Lyons, J. (1911). *Introduction to general linguistics.* London: CUP.

Nwafor, C. S. (2021). Morphological analysis of verbs of planting in Ikwo lect. BA Long Essay, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ikegwuonu, C. N. & Nweze, M. I. (2021). The study of the verb 'ji' in Igbo: A morpho-syntactic analysis. *Ogrisi: A new journal of African Studies, 17*, 213-239.

Igbeaku B. C.(2012). A sense relational study of verbs of harvesting in Igbo. A Seminar Paper Presented to the Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ndimele, O. M. (1999). *Morphology and syntax*. Port Harcourt: Emhai Printing and Publishing Company.

Ndiribe M. O. (2004) Lexical semantics of planting term in Ihiala dialect of the Igbo language. B.A. Long Essay, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Nweze E.(2011). Lexical semantics of verbs of excretion in the Imiryike variety of Igbo. *Nsukka Journal of Humanities, 18*,71-89.

Nwozuzu G.I. (2008). *Dialects of Igbo language*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Onwukwe, D.C., Ndimele, R. & Onukawa, M. (2015). Hyponymous relationship of verbs of cooking in Igbo. *International Research Journal of Arts and social Science, 4*(3), 61-69.

Sapir, E. (1921). Language: An introduction to the study of speech. Harcourt: Brace & Company.